AGỤMAGỤ IGBO NA EKERECHI: NNYOCHA ABỤ EKERECHI A HỌỌRỌ N'*IJE ỤWA*

Nkoli Mercy Nnyigide, PhD
Department of Igbo, African and Asian Studies
Nnamdi Azikiwe University, Awka
Anambra State, Nigeria
Phone: 08038726717
Email: nm.nnyigide@unizik.edu.ng

Ụmị

Abụ Igbo bụ otu n'ime ngalaba agụmagụ Igbo. Ụfọdụ ndị odeabụ Igbo na-esite n'abụ ha ezipụta ekerechi dị iche iche. N'agbanyeghị na ndị odeabụ Igbo na-ezipụta ọtụtụ ekerechi n'ọrụ ha, nchọpụta na-egosi na ụfọdụ ndị ọkammụta agụmagụ Igbo, ndị ntụle, ndị nkụzi na ụmụ akwụkwọ kara nwe mmasị n'inyocha ihe ndị ọzọ a na-ezipụta n'abụ Igbo dị ka ihe gbasara ndọrọndọrọ ọchịchị, jenda, ekpemekpe, omenaala, usoro ịchụ nta akụnaụba na ọhaobodo, dgz. Nke a na-egosi na ndị a enwekebeghị mmasị n'inyocha ekerechi dị iche iche a na-ezipụta n'abụ Igbo. Ebumnuuche nchọcha a bụ ka a chọpụta ma o nwere mmekọrịta dị n'etiti agụmagụ Igbo, ọkachasị abụ ederede Igbo na ekerechi. Na nchọcha a, e sitere n'akwụkwọ abụ Igbo a kpọrọ *Ije Ụwa* họrọ abụ ndị a: "Ọnwa" na "Mmiri Ozuzo". A gbasoro usoro atụtụ nnyocha agụmagụ kegburugburu, ya bụ ekokritisizim n'inyocha abụ ekerechi ndị a họọrọ. Site na ntụcha e mere, nwanchọcha chọpụtara na e nwere mmekọrịta n'etiti agụmagụ Igbo, ọkachasị abụ Igbo na ekerechi. Nwanchọcha chọpụtakwara na abụ ederede Igbo bụ ngalaba agụmagụ Igbo ndị odeabụ na-agbadokarị ụkwụ na ya ezipụta ekerechi. A chọpụtakwara na ụfọdụ ndị odeabụ Igbo na-esite n'abụ ha too ekerechi, zipụta nkamma ha na mmekọrịta dị n'etiti mmadụ na ekerechi. A na-atụ anya na a ga-esite na nchọcha a mee ka mmekọrịta a dị n'etiti agụmagụ Igbo, ekerechi, mmadụ na gburugburu ya dowaga ndị ntule, ndị ọgụụ, ndị nkụzi na ụmụ akwụkwọ anya.

(Poetry is one of the genres of Igbo literature. It has been observed that some Igbo poets represent many natural phenomena and raise ecological issues in their poems. But studies show that some Igbo scholars, critics, teachers and students are more interested in examining other issues raised in Igbo poems such as political, religious, cultural, socio-economic and gender issues. It is obvious that they do not show concern on ecological issues raised in Igbo poems. It is against this backdrop that this study examines selected written Igbo poems so as to ascertain the relationship between Igbo

literature, especially Igbo written poetry and natural phenomena. To get about this, two poems on natural phenomena: "Ọnwa" and "Mmiri" were selected from the poetry book titled *Ije Ụwa*. The study adopted the ecocritical literary approach in analyzing the selected poems. From the analyses, it is revealed that there is a close relationship between Igbo literature, natural phenomena and environment. Unlike other Igbo literary genres, the study shows that natural phenomena are more represented in the poetry genre. Besides, the researcher observed that the poet of the selected poems addressed natural phenomena and raised ecological issues in the poems. Therefore, it is hoped that this study would unveil some ecological issues raised in the selected poems and also raise the interest of scholars, readers, teachers, students and all lovers of Igbo literature to the natural phenomena and ecological issues represented in Igbo poetry).

Ndubanye

Agụmagụ bụ ụzọ pụtakarịchara ihe ndị odee si ezipụta echiche, mmasị na mmetụta ha n'ebe ihe dị iche iche Chukwu okike kere dị. Ederede a na-eleba anya ịchọpụta ma e nwere mmekọrịta dị n'etiti agụmagụ Igbo na ekerechi. Ederede a gbadoro ụkwụ n'agụmagụ Igbo. Ya bụ agụmagụ ndị ahụ e ji asụsụ Igbo zipụta. Ọtụtụ ndị odee agụmagụ Igbo na-esite n'ọrụ ha ezipụta ekerechi. N'ederede a, ekerechi pụtara ihe dị iche iche e kere eke a na- ahụ na gburugburu mmadụ dịka: osisi, anyanwụ, ọnwa, kpakpando, mmiri ozizo, dgz. N'okike ụwa, e nyere mmadụ ikike n'ebe ekerechi ndị a nọ. Ebumnobi e ji kee ihe ndị a bụ ka ha baara mmadụ uru. A bịa n'agụmagụ Igbo, ọ bụ ihe doro anya na ọ bụ ngalaba abụ ka a na-esikarị ezipụta ekerechi karịa na ngalaba agụmagụ ndị ọzọ. Mana nchọpụta na-egosi na ụfọdụ ndị onyocha agụmagụ Igbo kara nwe mmasị n'inyocha ihe ndị ọzọ a na-ezipụta n'agụmagụ Igbo dịka ihe metụtara usoro ọchịchị, omenala, jenda, dgz, karịa n'inyocha ekerechi a na-ezipụta n'abụ Igbo. Nke a na-egosi na ndị onyocha a enwekebeghị mmasị n'ebe ekerechi ndị a nọ. Ụfọdụ ndị onyocha Igbo aghọtabeghịkwa mmekọrịta dị n'etiti ekerechi, agụmagụ na mmadụ dịka etu ndị onyocha Bekee sirila mara. Ọ bụru na e lee anya n'ebe dị iche iche n'ụwa taa, okwu a kpụ n'ọnụ bụ nsogbu ekereụwa dị iche iche dịka iju, mbize, mmetọ mmanụ ala, dgz. Nsogbu ndị a na-adapụta site na mmekpaahụ mmadụ na ekerechi na-enye onwe ha. Dịka Dobie (2012) si kọwaa, ọtụtụ ndị onyocha agụmagụ Bekee na-agbasi mbọ ike inyocha akwụkwọ agụmagụ dị iche iche iji chọpụta echiche ndị odee n'ebe ekerechi na nsogbu ekereụwa dị. Ha na-achịkọbakwa ọgbakọ ndị ọkammuụta, ndị nkuzi na ụmụ akwụkwọ gbasara ọnọdụ ekerechi n'agụmagụ Bekee.

N'ihi nke a, ọ dị mkpa na a ga-esitekwa n'agụmagụ Igbo, ọkachị na ngalaba abụ Igbo chọpụta etu ndị odeabụ si ezipụta ekerechi nakwa mmekọrịta dị n'etiti mmadụ na ekerechi n'abụ ha. Ọ bụ ihe a ka ederede a na-eleba anya na ya. A na-atụ anya na ederede a ga-enye aka mee ka a ghọtawanye ọnọdụ ekerechi n'agụmagụ Igbo ma kpọlitekwa mmụọ ndị ọgụụ, ndị onyocha, ndị nkuzi na ụmụ akwụkwọ n'ebe ekerechi a na-ezipụta n'abụ ederede Igbo dị.

Mpụtara Agụmagụ Ederede Igbo

Agụmagụ ederede Igbo bụ agụmagụ ndị ahụ e chepụtara, nke na-ezipụta echiche na ụzọ ndụ ndị Igbo tinyere omenaala ha, bụ nke e jiri naanị asụsụ Igbo wee dee. Tupu a nabata nkọwa a, dịka Onyekaọnwụ (2006) si kwu, e nwere ndọrọndọrọ ndị kwe na ndị ekweghị n'etiti ndị ọkammụta agụmagụ Igbo. Ndọrọndọrọ a mere ka e nwee otu abụọ. Otu nke mbụ bụ ndị kwenyere na nkọwa a e nyere. Ha gụnyere ndị ọkammụta ndị a: Emenanjọ, Nnabụenyi Ugonna, Mmaduka, Obumselu na Onyekaonwu.

Onyekaonwu (2006) gara n'ihu kọwaa na ndị otu a kwenyere na ihe ndị a bụ ihe dị mkpa iji kpebi ihe bụ agụmagụ Igbo:

i. Ọ ga-abụ nke na-ezipụta echiche na ụzọ ndụ ndị Igbo.
ii. Ọ ga-abụrịrị asụsụ Igbo ka e ji zipụta ya.

N'ụzọ ihe abụọ a, nke kachasị mkpa bụ nke abụọ - na a ga-ejirịrị asụsụ Igbo wee zipụta ya. Nkwenye ha a gbadoro ụkwụ n'echiche Obi Wali dịka Achọlọnụ (1981) si zipụta ya n'Onyekaọnwụ (1986:5). Ọ kọwara na ihe bụ agụmagụ Afrịka ga-abụrịrị nke e ji asụsụ ndị Afrịka wee dee.

Onyekaonwu (2006) zipụpụtakwara ndị nọ n'otu nke abụọ. Ha gụnyere ndị ọkammụta ndị a: Ernest Emenyonu, Catherine Acholonu, E. Ebeogu na N. Inyiama. O mere ka a mata na ndị a bụ ndị kwenyere na agụmagụ ederede Igbo bụ agụmagụ ahụ nwa amaala Igbo dere, nke na-ezipụta echiche na ụzọ ndụ ndị Igbo bụ nke e jiri asụsụ Igbo maọbụ nke Bekee wee dee. Dịka Onyekaonwu (1986) si kọwa, ndị otu a kwuru na ihe dị mkpa iji mata agụmagụ ederede Igbo bụ ihe ndị a:

- Nwa amaala Igbo ga-ederịrị ya
- Ọ ga-ezipụta echiche na ụzọ ndụ ndị Igbo
- A ga-eji asụsụ Igbo maọbụ nke Bekee wee depụta ya.

Ọzọ, Onyekaonwu (2006) zipụtara arụmarụ ụka otu nke abụọ ji akwado ihe ha na-ekwu bụ ndị a:

- Na nwa amaala obodo ọzọ agaghị amacha ntọala na ihe niile mejupụtara asụsụ Igbo nke iji ya wee dee agụmagụ Igbo.
- Na o teelarị asụsụ Bekee jiri were ọnọdụ na ndụ ndị Igbo na ala Naịjirịa. Nke a mere na e jizi ya mere asụsụ mmekọrịta na Naịjirịa. N'ihi nke a, ma e jiri asụsụ Igbo maọbụ nke Bekee depụta agụmagụ Igbo na ọ dịghị ihe dị njọ na ya; kama ihe dị mkpa bụ na ọ na-ezipụta echiche na ụzọ ndụ ndị Igbo.

Onyekaonwu (2006) mekwara ka a mata na ndị otu nke mbụ gbaghara echiche ndị otu nke abụọ site n'ihe ndị a:

- Na ọ bụghị eziokwu na ọ ga-abụrịrị nwa amaala Igbo ga-ede agụmagụ Igbo, n'ihi na nwa amaala Yoruba maọbụ Awụsa a mụrụ n'ala Igbo, zụọ n'ala Igbo, gụọ akwụkwọ n'ala Igbo, ga-enwe ike ịmụta asụsụ Igbo n'ụdị na ọ ga-enwe ike iji ya dee akwụkwọ agụmagụ.
- Na ọ dịghị otu asụsụ nwere ike iwere ọnọdụ asụsụ ọzọ n'ụwa a. N'ihi nke a, ọ dịghị mgbe asụsụ Bekee ga-eji nọchie asụsụ Igbo bụ nke e ji ezipụta agụmagụ Igbo.
- Na agụmagụ ọbụla bụ asụsụ ya ka e ji echekwawa ya. Ya bụ, asụsụ ndị ahụ e ji dee ya. Ọ bụkwa naanị asụsụ ahụ ka a ga-eji na-ezipụta ya.
- Na ọ dịghị ụzọ a ga-esi tụgharị otu asụsụ wee baa n'asụsụ ọzọ ma nwee ike izipụtacha n'uju echiche dị n'asụsụ e si na ya wee tụgharịa ya.

Na mmechi arụmarụ ụka ha, ha na-akọwa na ọbụladị mbọ niile Chinua Achebe gbara iji wee webata asụsụ Igbo n'ime agụmagụ Bekee ọ na-ede, na ọ dịghị mgbe a ga-eji were agụmagụ Achebe dere dịka agụmagụ Igbo. Ha kwuru na ụdị agụmagụ ndị a Achebe dere dịka ụsụ nke esoghị n'anụ elu nke o ji eso n'anụ ala. Ha esoghị n'agụmagụ Bekee maọbụ Igbo n'ihi asụsụ e ji dee ha.

Dịka Onyekaonwu (2006) si kọwa, ọ bụ ọkpụrụkpụ okwu ndị a ka ndị otu nke mbụ ji merie ndị nke abụọ, e wee kpebie na agụmagụ ederede Igbo bụ agụmagụ ndị ahụ na-ezipụta echiche na ụzọ ndụ ndị Igbo, nke e ji naanị asụsụ Igbo wee dee.

Ezema (2010:9) kwadoro nke a n'ihi na ọ sị,

> Agụmagụ ederede Igbo dịka iduuazị, ejije na abụ bụ nke ji asụsụ Igbo kwara ngwa ọrụ nke na otu e si ama nke ọbụla bụ site n'ụdị asụsụ e ji dee ya. Agụmagụ iduuazị na ejije Igbo ji asụsụ kwara ngwa ọrụ kama na asụsụ abụ na-adị omimi na nghọta karịa nke ha.

Mpụtara Abụ

Mgbe ụfọdụ, ihe gbasara mpụtara abụ na-agbagwojukarị ụfọdụ mmadụ, ọkachasị ụmụ akwụkwọ anya. Tupu a gaa n'ihu n'ederede a, ọ dị mkpa ka e nyetụ ụfọdụ nkọwa ntọala gbasara abụ Igbo. Ọtụtụ ndị ọkammụta enyela nkọwa dị iche iche gbasara abụ. N'ebe a, a ga-eleba anya na nkọwa dị iche iche ndị ọkammụta n'agụmagụ Igbo na nke Bekee nyerela gbasara abụ. A na-atụ anya na nke a ga-enye aka mee ka a ghọtawanye ederede a.

Abụ bụ otu n'ime ngalaba agụmagụ e nwere. Na nkọwa nke ya, Nwadike (1992:38) sị,

> Abụ bụ ihe odide ma ọ bụ ọgụgụ si n'uche pụta nke a (sic) dere ma ọ bụ gụọ n'ụzọ dị mpirisi, tụmadụ nke na-akọwa echiche dị omimi ma ọ bụ nke ezi uche n'asụsụ na-enweghị atụ iji gosịpụta ihe mere eme ma ọ bụ ihe a na-ele anya gaje ime eme.

Site na nkọwa a, Nwadike mere ka a mata na a na eji asụsụ dị ọgọ ezipụta abụ. N'echiche ya ọzọ, Nwadike (2003:72) nyewanyere nkọwa maka abụ. Ọ sị, "Abụ, dịka ngalaba agụmagụ ọzọ, bụ ọrụnka nke e tinyere n'asụsụ dị ọgọ, hazie n'usoro pụrụ iche, bịa nwee echiche miri emi na mmetụta n'ahụ na n'obi". Ihe ndị ọzọ pụtara ihe na nkọwa a bụ na abụ na-enwe nhazi pụrụ iche, echiche miri emi na mmetụta obi.

Na nghọta ya gbasara ihe bụ abụ, Anọzie (2007:14) sị, "Abụ bụ otu ụdị agụmagụ jupụtara na nka, mmadụ ji akọwa ndụ ekere na ihe ndị ọzọ a na-ahụ na-eme n'ụwa". Nkọwa Anọzie a dabara nke ọma n'ihe na ụfọdụ ndị odeabụ na-eji abụ ha akọwapụta ihe dị iche iche gbasara ekerechi na ihe na-emegasị na ndụ na n'ụwa. Ha na-ejikwa abụ ha akatọ akparamagwa ọjọọ n'ọhaobodo. N'echiche nke ya, Ekwealor (2009:26) sị, "Abụ bụ ngalaba agụmagụ na-ejikarị enyookwu (nhụrụnuuche) na ndanusoro arụ ọrụ. Ọ bụ eziokwu na a na-ede abụ n'ọgbara n'ọgbara ma ọ bụghị nke a na-emebe abụ. Ihe na-emebe abụ bụ nkaasụsụ e jiri dee ya". Echiche a na-akọwa na ihe mere abụ ji dị iche na ngalaba agụmagụ ndị ọzọ bụ na ọ na-eji nkaasụsụ na ndanusoro arụ ọrụ n'ụzọ pụrụ iche. Okoye (2013) kọwara na ọrụ kacha mkpa abụ na-arụ bụ na ọ na-ezipụta nkamma. Nkamma abụ na-agbadokarị ụkwụ na ụda na nhụrụnuuche, ya bụ ihe ọ na-eme ka a nụ, na ihe ọ na-eme ka e jiri anya ime echiche hụ, nke na-akpalite mmasị. Asika (2014) kọwara na abụ bụ echiche nke e zipụtara n'ụdị ahịrị bụ nke na-akpalitekarịcha mmetụtaobi ọmiiko, iwe, obi ilu, mmasị, mwute, ọnụ, egwu, afọ ojuju, ndidi nakwa nghọta ndụ na ihe dị iche iche dị na n'okirikiri mmadụ.

Abụ Ekerechi

Dịka aha ya si dị, ọ bụ nkenụụdị abụ ederede Igbo na-ezipụta ihe dị iche iche Chukwu okike kere site n'ịrụtụ aka n'ọrụ ha na-arụ nakwa uru ha baara mmadụ. Ụdị abụ a na-enwe ntụgharị uche n'ebe ihe e kere eke dị iji gosi mmasị, mgbagwojuanya, ụjọ, mọọbụ mkpọrọmasị. Ihe e kere eke nwere ike bụrụ anyanwụ, ọnwa, kpakpando, ugwu, osisi, mmiri, ọnwụ na ihe ndị ọzọ (Nwadike, 2003: 97).

ATỤTỤ EDEREDE

Dịka a kọwarala na mbụ, a ga-agbaso atụtụ kegburugburu maọbụ ekokritisizim wee tụchaa abụ ndị a họọrọ. Dobie (2009) kọwara na ịgbaso atụtụ kegburugburu wee nyochaa agụmagụ pụtara ịchọpụta ka e si zipụta ekerechi n'akwụkwọ agụmagụ na ọrụ e zipụtara ọ na-arụ n'akwụkwọ agụmagụ ahụ. N'akụkụ nke ya, Bergthaller (2014) kọwara na atụtụ ekokritisizim bụ atụtụ nnyocha agụmagụ dịkarịchara ọhụụ a na-agbadozi ụkwụ na ya were enyocha agụmagụ n'oge ugbu a. O kwenyekwara na ọ bụ n'afọ 1990 ka ọ malitere nwebe ezi ọnọdụ dịka otu n'ime atụtụ nyocha agụmụgụ e ji enyocha agụmagụ na mba USA na UK.

Na mpaghara a, a ga-elebazi anya na nkọwa dị iche iche ụfọdụ ndị ọkammụta nyerela gbasara atụtụ a. Philips (1999) kọwara ekokritisizim dịka atụtụ nnyocha agụmagụ ọgbara ọhụụ, nke nwekarịchara mmasị n'ekerechi kacha pụta ihe n'agụmagụ. Na Nkọwa nke ya Gerrard (2004) kọwara na ụfọdụ ndị ntule agụmagụ n'usoro atụtụ kegburugburu achọpụtala na ọdachi na nsogbu ekere ụwa anaghị emetụta naanị ihe gbasara teknụụzụ, nchọcha, ndọrọndọrọ ọchịchị, kama ọ na-emetụtakwa omenala. Nke a bụ eziokwu n'ihi na ọ na-abụ e nwee ọdachi nke ekerechi, dịka iju gbaa, ọ na-eweta oke mbibi, ọkachasị ọnwụ mmadụ nakwa nke ụfọdụ ekerechi na-eku ume.

N'ịga n'ihu, Abrams (2005) n'echiche nke ya kọwara na ekokritisizim bụ atụtụ na-ezipụta edemede dị iche iche na-eleba anya na mmekọrịta dị n'etiti agụmagụ na agbata ihe ekerechi, nke a chịkọbara n'ihi na a chọpụtara akparamagwa ọjọọ na nnukwu mmekpa ahụ mmadụ na-enye ihe ekerechi. Tošić (2006) kwenyere ekokritisizim na-eleba anya na mmekọrịta dị n'etiti agụmagụ na gburugburu mmadụ maọbụ ka e si zipụta mmekọrịta dị n'etiti mmadụ na gburugburu ya n'agụmagụ. Ọ kọwara na atụtụ a bụ usoro amụmamụ pụrụ iche e si enyocha agụmagụ. Rigby (2008) kwadoro Tošić n'ihi na ọ kọwara na atụtụ ekokritisizim na-eleba anya na mmekọrịta dị n'etiti ekerechi na agụmagụ. Ọ kọwara na atụtụ na-eleba anya ụwa site n'ịkọwapụta nnukwu uru ekerechi bara n'ụwa.

Atụtụ a nwere usoro dị iche iche o si enyocha agụmagụ. Dịka Dobie (2012) si kọwaa, o nwere usoro na-achọpụta ngalaba agụmagụ na-ezipụta ekerechi elegharala anya. O nwekwara usoro metụtara atụtụ. Nke a na-eleba anya na mmekọrịta dị n'etiti ekerechi na omenala. Usoro ọzọ bụ nke na-achọpụta ka e si zipụta ekerechi n'agụmagụ, ọrụ na uru ekerechi ahụ bara n'akwụkwọ agụmagụ a họpụtara na ụdị mmekọrịta e zipụtara n'etiti ya na mmadụ . N'inyocha abụ ndị a họọrọ, a ga-agbaso usoro a na-achọpụta ka e si zipụta ekerechi n'agụmagụ, ọrụ na uru ekerechi ahụ bara n'akwụkwọ agụmagụ a họpụtara nakwa ụdị mmekọrịta e zipụtara n'etiti ya na mmadụ. Nke a bụ usoro nnyocha agụmagụ otu ọkammụta n'agụmagụ Bekee a na-akpọ Cheryll Glotfelty (1996) chọpụtara. Ọ kọwara na usoro a abaarala ọtụtụ ndị onyocha atụtụ kegburugburu uru. Ebumnuche usoro a bụ ka e site n'agụmagụ kpọlite ma kwalite mmasị na nghọta ọhanaeze n'ilekọta na n'ichekwa ekerechi na gburugburu mmadụ.

Nkọwa na Ntule Abụ Ekerechi a họọrọ

N'ebe a, a ga-enye nkọwa ma tuchakwa abụ ekerechi ndị a họọrọ site n'akwụkwọ abụ a kpọrọ *Ije Ụwa*, nke A.N. Okedịadị dere. A chọpụtara na e nwere abụ ekerechi dị iche iche e depụtara n'akwụkwọ abụ a. Mana a họọrọ ndị kara daba n'ebumnuche ederede a. Otu n'ime abụ ekerechi a họọrọ n'akwụkwọ abụ a bụ "**Ọnwa"**. N'abụ a, a chọpụtara na odeabụ a zipụtara ekerechi na ya . Ekerechi e zipụtara na ya ka a na-akpọ Ọnwa. Dị ka anyanwụ, ọ na-apụtakarị n'igwe ọkachasị n'oge abalị. Ọ na-amalite ọrụ ya mgbe anyanwụ kwụsịrị nke ya.

Na nkeji nke mbụ, odeabụ a toro ekerechi a ma zipụtakwa uru pụrụ iche ọ baara ndị mmadụ, ọkachasị ndị Igbo. Ọ sị,

> Diọkpara igwe!
> Anya m hụrụ gị mara mma.
> Ibe ji zuru ụwa ọnụ
> Ị dighị akpa oke
> Otu ihe ọgaranya na nwa ogbenye ji wee hara
> Igbo niile ji gị agụ ụbọchị
> Ị pụta obi abụrụsọ aṅụrị.

Site na nkeji abụ a, a ga-achọpụta na odeabụ a nwere nnukwu mmasị n'ebe ekerechi a dị. Ọ kpọrọ ihe ekerechi a "Diọkpara igwe". Nke a na-egosi na ekerechi a kara nwe ezi ọnọdụ karịa ekerechi ndị

ọzọ na-apụta n'igwe. O webatara atụmatụokwu a na-akpọ mbụrụ n'ebe a iji gosipụta na ekerechi a nwere ezi ọnọdụ n'igwe ma dịkwa nnukwu mkpa. O webatakwara egbeokwu mgbe ọ sị na ọnwa bụ 'Ibe ji zuru ụwa ọnụ" nke a pụtara na ekerechi a pere mpe n'anya mmadụ mana ọ na-enye ụwa niile ihe. Ọ kọwakwara na ọ dighị akpa oke ma ọlị. Kama, ọ baara mmadụ niile uru, ma ọgaranya ma ogbenye. E mekwara ka a mata na ọ ka bara ndị Igbo uru n'ihi na ha ji ya agụ ụbọchị ha. Nke a bụ eziokwu n'ihi na ụfọdụ ndị Igbo; ọkachasị ndị okenye na-ejikarị ihe ekerechi a agụkọ ụbọchị ha. N'echiche ndị Igbo, ha kwenyere na ekerechi a anaghị apụta n'igwe mgbe niile. Kama, ọ na-apụtakarị kwa ọnwa. Ọ na-enyere ha aka n'ịgụkọ ụbọchị ha. Ha chọpụtara na ọ na-apụta ugboro iri na atọ n'afọ. Nke a mere na ndị Igbo na-enwekarị ọnwa iri na atọ n'afọ. Nke a dị iche na nke ndị Bekee n'ihi na ha nwere ọnwa iri na abụọ.

Na nkeji nke abụọ, odeabụ a zipụtara nkamma ekerechi a na ọrụ pụrụ iche Chukwu okike kenyere ya ka ọ na-arụ. Ọ sị;

Ihu gị bụ sọ mma;
I ji azịza azacha obodo;
Ebe niile ana amụkesi;
Ije agụwa agadị;
Ụmụ ntakịrị ana awụli elu;
Obodo a na-ekpo ọkụ;
Abalị adịka ụtụtụ;
Chi kere gị mere ihe ukwu.

Site na nkeji abụ a, odeabụ a kọwara na ekerechi a mara mma. O webatara atụtụmatụokwu a na-akpọ mmemmadụ mgbe ọ sị, "I ji azịza azacha obodo". N'ebe a, odeabụ weere akparamagwa e ji mara mmadụ wee kọwapụta ọrụ pụrụ iche iche ekerechi a na-arụ. Nke a pụtara na ihe ekerechi a na-enye nnukwu ihe, nke na-eme ka ebe niile na-amụkesi amụkesi. Ihe a ọ na-enye na-enwekwa nnukwu mmetụta na ndụ ndị okenye na ụmụ ntakịrị. Ọ na-enye ha ọṅụ pụrụ iche. Ọ na-egosi na e nwere ezi mmekọrịta n'etiti mmadụ na ihe ekerechi a. A na-enwekarị ụdị ọnọdụ a n'oge abalị n'ihi na a chọpụtara na ọ bụ naanị n'oge abalị ka ọnwa ji eti. Nke a na-eme ka abalị dizie ka ụtụtụ. Na nkeji a, a ga-achọpụtakwa na ụdị ihe ekerechi a na-eweta kpalitere mmụọ odeabụ a n'ụzọ pụrụ iche. Nke a mere o ji site n'abụ a wee na-eto Chukwu kere ekerechi a na nkeji abụ a.

Echiche odeabụ a na nke Nwadike (2003: 97) dabara nke ọma n'ihi na ọ sị, "Mgbe ọbụla ọnwa ọhụrụ pụrụ n'igwe, ndị ọhaobodo na-egosi mmasị na obi ụtọ n'ihi ọnwa ọhụrụ a. Ha na-eti mkpu ọṅụ , rịọ ọnwa ọhụrụ a ka o chekwaa ha ka ibe ya ndị lara ala siri chekwaa ha..."

N'ịga n'ihu, na nkeji abụ nke atọ, odeabụ a kọwara na ụdị ebube Chukwu okike ji chọọ ekerechi a mma na-atụ n'ọnụ. Ọ kọwakwara na ekerechi a nwekarịsịrị mmetụta na ndụ ndị ntorobịa. Ọ sị;

Ebube gị na-atụ n'ọnụ;
Ụmụokoro na ụmụagbọghọ na-atụ anya gị;
Maka ụrọ ha ibiri ọkụ;
Ọnwa bịawa ngwangwa!
Abụrụ okwu ha kpụ n'ọnụ.

Site na nkeji a, a ga-achọpụta na ihe odeabụ a na-akọwa gbasara "ụrọ ụmụokoro na ụmụ-agbọghọ ibiri ọkụ" pụtara na ha na-ejikarị oge ọnwa na-eti wee na-egwu egwu. Ụdị egwu a ha ji oge a egwu ka a na-akpọ egwu ọnwa. N'oge gboo, n'ala Igbo, oge ọnwa na-eti nwere nnukwu ọnọdụ na ndụ ndị Igbo. Ọ bụ oge pụrụ iche ha na-eji wee na-egwu egwuregwu ọdịnaala ma na-enyekwa nkụzi ọdịnala dị iche cihe dị ka ịkpọ ọga, ịgba mgba, ịkọ akụkọ ifo. Ha na-esite n'ihe ndị a akụziri ụmụaka na-etolite etolite ime ezigbo omume na ịkpa ezi agwa (Ogwudile, 2015 na Nnyigide, 2016) kwenyere na nke a. Mana n'oge ugbu a, nke a adighịzi etu a n'ihi mmepe ndị ọcha wetara n'ala Igbo.

Kaosiladị, ọ bụrụ na a gbaso usoro atụtụ kegburugburu wee nyocha abụ a, a ga-achọpụta na e zipụtara ekerechi na ya. Ekerechi e zipụtara na ya ka a na-akpọ ọnwa. N'abụ a, odeabụ a toro ekerechi a ma zipụtakwa nkamma ya. E mere ka a mata na ọ kara nwe ezi ọnọdụ karịa ihe ekerechi ndị ọzọ na-apụtakarị n'igwe. Ọ kọwakwara na ọ baara mmadụ nnukwu uru ma na-arụkwara ya nnukwu ọrụ. Ya bụ na e nwere ezi mmekọrịta n'etiti mmadụ na ekerechi a. Nke a mere na ọ dịghị akpa oke n'ebe ọgaranya na ogbenye nọ. Ọ na-enye ụwa niile ihe. Ọ baara ndị Igbo nnukwu uru. Ha ji ya agụkọ ụbọchị ha. Nke a mere na ha, ọkachasị ụmụntakịrị ha na-enwekarị obi aṅụrị mgbe ọbụla ihe ekerechi a pụtara n'igwe. Ụdị ihe ọ na-enye na-eme ka ebe niile na-amụkesi amụkesi, ma na-ekpokwa ọkụ. Ọ na-eme abalị adịzie ka ụtụtụ. Ndị ntorobịa na-enwekwa oke ọṅụ mgbe ọnwa ji apụta n'ihi na ọ bụ oge pụrụ iche ha ji egwu egwu ọnwa. Odeabụ a jikwa abụ wee too Chukwu okike kere ihe ekerechi a n'ihi na o ji ebube wee chọọ ya mma. Site n'abụ a, a ga-achọpụta na o nweghị mmekpaahụ ọbụla ihe ekerechi a na-enye mmadụ. Kama ọ baara mmadụ nnukwu uru. Ọ na-

arụkwara ya ọrụ pụrụ iche. Ọ bụ nke a mere odeabụ a ji wee were abụ a wee na-akpọlite mmasị na akọnauche ndị ọgụụ, ọhanaeze n'ebe ekerechi a dị.

"Mmiri Ozizo" bụ abụ ekerechi ọzọ e sitere n'*Ije Ụwa*" wee họrọ. N'abụ a, a chọpụtata na e zipụtara ekerechi na ya. Ekerechi a e zipụtara bụ mmiri ozizo. Oge mmiri ozizo bụ oge pụrụ iche Chukwu okike kere maka mmiri izo. A maara oge a dị ka oge mmiri na-ezokarị. Ọ na-ewerekarị ọnọdụ mgbe oge ọkọchị maọbụ oge anwụ ọchịcha kwụsịrị. Ọ bụ n'eligwe ka mmiri na-esi ezodata n'ala. Ọ na-abụ mmiri zosịa, ala apịtọọ. Ọ bụ ala mpịtọ na-egosi na mmiri zoro. Nke mere ndị Igbo ji atụ n'ilu sị na "Mmiri apụghị izo ma ala amaghị.

Na nkeji abụ nke mbụ, odeabụ a kọwara mmiri ozizo dị ka onye ozi Chineke. Nke a pụtara na ọ bụ Chineke na-enye ya ikike o ji ezo. Odeabụ a zipụtakwara ilu a ndị Igbo na-atụ gbasara miri ozizo na nkeji a. Ọ sị;

Mmiri ozizo;
Ị pụghị izo ma ala amaghị;
Ị bụ ojeozi Chineke;
Ị naghị ekwo ekworo
Ị na-ezoro ndị ọma na ndị ọjọọ.

Site na nkeji abụ a, odeabụ a mere ka a mata na ekerechi a anaghị akpa oke. Kama, ọ na-ezoro mmadụ niile.

Na nkeji abụ nke abụọ, odeabụ a zipụtara nnukwu ọrụ pụrụ iche Chukwu okike kenyere ekerechi a ka ọ na-arụ nakwa uru dị iche iche ọ baara mmadụ, anụmanụ nakwa ihe ndị ọzọ e kere eke. Ọ sị;

Mmiri ozizo;
Ihe niile na-eku ume;
Na-echere gị maka ndụ ọhụrụ.
Anụmanụ dị iche iche na-enwe obi ụtọ.
Mmadụ niile na-elekwasị gị anya.
Maka ihe oriri dị iche iche.

Site na nkeji abụ a, a ga-achọpụta na ekerechi a na-arụ ọrụ pụrụ iche. Ọ bakwaara mmadụ niile, anụmanụ dị iche iche na ihe ndị ọzọ e kere eke nnukwu uru. Ọ na-enye ihe niile na-eku ume ndụ

ọhụrụ. Ọ na-enyekwa ụmụ anụmanụ obi ụtọ. Ọ na-eme ka akụkụ ubi, nke mmadụ na-esi na ya enweta ihe oriri mee nke ọma.

N'agbanyeghị ọrụ ọma niile a na uru ndị a ekerechi a baara, odeabụ a zipụtakwara mmekpaahụ dị iche iche ọ na-enye mmadụ na nkeji nke atọ na nke anọ. Ọ sị;

…ọtụtụ mmadụ na-achịrị obi n'aka na ọbịbịa gị
Ebe obibi ha na-abụ;
Ọdọmmiri Betsaịda.

Mmiri ozizo!
Mbize si n'aka gị abịa.
Ọtụtụ ebe na-ejupụta n'atịtị na apịtị
Mmadụ na ụgbọala ejupụta okporoụzọ,

Site na nkeji abụ ndị a, a ga-achọpụta na ekerechi a na-emekpa mmadụ ahụ n'ebe ọ dị ukwuu. Ụdị mmekpaahụ ọ na-enye mmadụ ne-eme ka ọtụtụ mmadụ chịrị obi n'aka ma mmiri kwadowe izo. Odeabụ a ji ọdọmmiri Betsaịda wee tụnyere etu mmiri si etojupụta n'ebe mmadụ bi n'oge mmiri na-ezo. O zipụtakwara nsogbu ekere ụwa mmiri ozizo na-ebute. Nke ahụ bụ mbize. Ọ kọwakwara na mmiri ozizo na-eme ka atịtị na apịtị jupụta ọtụtụ ebe. Nke a na-eme ka mmadụ na ụgbọala jupụta okporoụzọ. Nke a na-egosi na ọ na-egbochi njem mmadụ. Nsogbu ekerechi a odeabụ a zipụtara ebe a bụcha eziokwu. Mbize e nwere n'ebe dị iche iche taa sitere n'idei mmiri ozizo. Ụfọdụ kwa sitere n'akparamagwa ọjọọ mmadụ. Ọ bụrụ na mmadụ rụchie ebe idei mmiri si aga. Ọ ga-akwara onwe ya ụzọ. Ụzọ a ọ na-akwara onwe ya mgbe ụfọdụ na-ebutezi mbize. Nke a na-egosi na ihe ekerechi a na-akpa ike dị egwu.

N'ịga n'ihu, odeabụ a mere ka a mata na uru ihe ekerechi a baara mmadụ karịrị mmekpaahụ ọ na-enye mmadụ. O ji nkeji abụ nke ise wee zipụta ihe na-abụkarị ọnọdụ mmadụ na anụmanụ dị iche iche ma ọ bụrụ na mmiri ezoghị n'oge ya. Ọ sị;

Ma ọ bụrụ na ị bịaghị n'oge gị;
Ọtụtụ anụ ọhịa na-anwụ;
Nrianrịa na-efe efe na-esi n'ikuku ezuru ndị mmadụ.
Agụụ na-apịa ndị mmadụ ụtarị.

Site na nkeji abụ a ga-achọpụta na ekerechi a baara mmadụ nnukwu uru. Odeabụ na-akọwa na ọ bụrụ na mmiri ezoghị n'oge kwesịrị ekwesị, na mmadụ niile na ihe niile na-eku ume ga-anọ na nnukwu nsogbu-ọtụtụ anụmanụ ga-anwụ, mmadụ ga-ebute ọrịa dị iche iche na-efe efe, Nke na-egosi na mmiri ozizo na-ezochapụ ọrịa na-efe efe. A ga-achọpụtakwa na odeabụ a webatara atụmatụokwu a na-akpọ mmemmadụ n'ahịrị ikpeazụ dị n'abụ a. Ọ sị, "Agụụ na-apịa ndị mmadụ ụtarị". Na nke a, o ji akparamagwa e ji mara mmadụ wee tụnyere ụdị mmekpahụ ihe ekerechi a na-enye mmadụ. Ọ na-akọwa na ọ bụrụ na mmiri ezoghị, akụkụ ubi agaghị emepụta nri oriri. Ọnọdụ a ga-eme ka agụụ were ọnọdụ wee nyụọ ụmụ mmadụ anya.

A chọpụtara na ọtụtụ ndị odeabụ Igbo gbadoro ụkwụ n'isiokwu e zipụtara n'abụ a wee depụta abụ ha. Echiche odeabụ a na nke Ọnụọha (2006), n'abụ ya ọ kpọrọ "Mmiri" n'*Akọnauche* nke Ndụnagụm (2006) n'abụ ya ọ kpọrọ "Udummiri" n'*Akọnuche* yitere. Ha kwekọrịtara na mmiri na-abara mmadụ, anụmanụ, akụkụ ubi nnukwu uru. Ha kwenyekwara na mmadụ na-enweta uru na ọghọm site n'ekerechi a bụ mmiri. Mana uru a na-erite na ya karịrị ọghọm na-adị na ya. Ihe dịzi iche Ndụnagụm zipụtara n'abụ ya bụ na ọ kpọtụrụ aha ụdị ụlọ dị iche iche ebe mmiri dị oke mkpa. Ha gụnyere: "ụlọọrụ, ụlọahịa, ụlọọgwụ, ụlọụka na ụlọobibi".

Na nkeji abụ ya nke atọ, Okediadi gbakwara mmekpaahụ dị iche iche ekerechi a na-enye mmadụ n'anwụ. ọ sị;

Ihe na-atọ ụtọ na-egbukwa egbu
Ị na-achụpụ ụmụ mmadụ n'ụlọ
Maa mee ha ndị na-enweghị ụlọ
Udummiri, echeta ebewe, ụra agaghị n'anya
Ụmụ ogbenye bi n'akpakara ụlọ
Ụfọdụ ka i meworo ọdị ndụ ọnwụ ka mma
Ọtụtụ ọrịa ka ị na-ebute mgbe ị na-abịa
Ị na-egwu olulu n'okporo ụzọ n'ejighị ngwu
Ewoo, oge gị kachasị eweta ụnwụ.

Ihe ndị a niile odeabụ a zipụtara ebe a bụcha nsogbu ekere ụwa na mmekpaahụ dị iche iche ekerechi a na-ewetara mmadụ.

Kaosiladị, ọ bụrụ na a gbaso usoro atụtụ kegburugburu wee nyochaa abụ a, a ga-achọpụta na e zipụtara ekerechi n'abụ a. Ekerechi e zipụtara na ya bụ mmiri ozizo. Odeabụ a kọwara na ekerechi a bụ ojeozi Chineke. Nke a na-egosi na o nwere ọrụ pụrụ iche Chukwu okike kenyere ya ka ọ na-arụ. Ọrụ ahụ pụrụ iche odeabụ a zipụtara ọ na-arụ bụ na ọ na-enye ihe niile na-eku ume, mmadụ, anụmanụ dị iche iche, akụkụ ubi na ihe ndị ọzọ e kere eke ndụ ọhụụ. Nke a na-egosi na ọ baara ihe ndị a nnukwu uru. Ndụ ha na-adị dabere na ya. E zipụtakwara mmekpaahụ dị iche iche mmadụ na-enweta ma ọ bụrụ na mmiri zoo. Mmiri na-etojupụta n'ebe obibi mmadụ. Ọ na-ebute nsogbu ekere ụwa a na-akpọ mbize. Ọ na-emekwa ka atịtị na apịtị jupụta ebe dị iche iche. Nke a na-egbochi njem mmadụ na ụgbọala. Mana ọ bụrụ na o zoghị, ọtụtụ anụmanụ na-anwụ. Mmadụ na-ebute ọrịa na-efe efe. Agụụ na-emenyụkwa ụmụ mmadụ anya.

Site na nke a, a ga-achọpụta na mmadụ si n'ekerechi a enweta uru na ọghọm. Mana odeabụ a kọwara ya ka o doo anya nke ọma na uru a na-enweta na ya karịrị ọghọm dị na ya. Ọ bụ nke a mere odeabụ a ji wee gbado ụkwụ n'abụ a wee na-akpọlite mmasị na akọnauche ndị ọgụụ na ọhanaeze n'ebe ihe ekerechi a dị ma na-echetakwara ha oke na ọrụ dịịrị ha n'ibelata akparamagwa ha ezighị ezi, nke na-enye ekerechi a ikike imekpa mmadụ na ihe ndị ọzọ e kere eke ahụ.

Nchịkọta

N'ederede a, e nyochara abụ ekerechi abụọ a họọrọ n'akwụkwọ a kpọrọ *Ije Ụwa*. N'abụ a kpọrọ "Ọnwa", odeabụ a toro ekerechi a ma zipụtakwa nkamma ya. E mere ka a mata na ọ kara nwe ezi ọnọdụ karịa ihe ekerechi ndị ọzọ na-apụtakarị n'igwe. Ọ kọwakwara na ọ baara mmadụ nnukwu uru ma na-arụkwara ya nnukwu ọrụ. Ya bụ na e nwere ezi mmekọrịta n'etiti mmadụ na ekerechi a. Ọ na-enye ụwa niile ihe. Ọ baara ndị Igbo nnukwu uru. Ha ji ya agụkọ ụbọchị ha. Ndị ntorobịa na-enwekwa oke ọṅụ mgbe ọnwa ji apụta n'ihi na ọ bụ oge pụrụ iche ha ji egwu egwu ọnwa. A bịa n'abụ a kpọrọ "Mmiri Ozizo", a chọpụtakwara na ekerechi a baara mmadụ uru pụrụ iche ma na-emekpakwa mmadụ ahụ n'ebe ọ dị ukwuu. Odeabụ a zipụtara nnukwu ọrụ pụrụ iche Chukwu okike kenyere ekerechi a ka ọ na-arụ nakwa uru dị iche iche ọ baara mmadụ, anụmanụ nakwa ihe ndị ọzọ e kere eke. Ọ na-enye ihe niile na-eku ume ndụ ọhụrụ. Ọ na-enyekwa ụmụ anụmanụ obi ụtọ. Ọ na-eme ka akụkụ ubi, nke mmadụ na-esi na ya enweta ihe oriri mee nke ọma. N'aka nke ọzọ, e zipụtakwara mmekpaahụ dị iche ekerechi a na-enye mmadụ. Ụdị mmekpaahụ ọ na-enye mmadụ ne-eme ka ọtụtụ

mmadụ chịrị obi n'aka ma mmiri kwadowe izo. Odeabụ a ji ọdọmmiri Betsaịda wee tụnyere etu mmiri si etojupụta n'ebe mmadụ bi n'oge mmiri na-ezo. O zipụtakwara nsogbu ekere ụwa mmiri ozizo na-ebute. Nke ahụ bụ mbize. Ọ kọwakwara na mmiri ozizo na-eme ka atịtị na apịtị jupụta ọtụtụ ebe. Nke a na-eme ka mmadụ na ụgbọala jupụta okporoụzọ. Nke a na-egosi na ọ na-egbochi njem mmadụ. N'ihi nke a, ederede nchọcha a na-ekwusi ike na ọ dị mkpa ka e site n'agụmagụ Igbo kpọlite mmasị na akọnauche ọhanaeze, ọkachasị nke ndị nkụzi, ụmụ akwụkwọ, ndị ọgụụ, ndị onyocha, ndị ọkammụta na ndị niile nwere mmasị na ntolite agụmagụ Igbo n'ilekọta, ichekwa na ịkwalite ọnọdụ ekerechi n'agụmagụ Igbo na gburugburu mmadụ.

EDENSIBỊA

Abrams, M.H. (2005). *A Glossary of Literary Terms*. USA: Thomson Higher Education.

Anozie, C.C. (2007). *Uche bụ Akpa*. Onitsha: Varsity Press.

Asika, E.I. (2014). *New Perspectives in Poetry*. Awka: SCOA Heritage.

Bergthaller, H. (2014). "What is Ecocriticism" URL: http:www.easlce.eu/abut.u/… Accessed: 17tyh August, 2014.

Dobie, A. B. (2009) *Theory into Practice: An Introduction to Literary Criticism*. Boston: Wadsworth.

Dobie, A. B. (2012) *Theory into Practice: An Introduction to Literary Criticism*. Boston: Wadsworth.

Ekwealor, C. (2009) *Agụmagụ Ederede Igbo*. Nsukka: Paschal Communications.

Gerrard, G. (2004). *Ecocriticism*, London: Routledge. URL: http://www.alse.org.uk. Accessed: 17th August, 2014.

Glotfelty, C. (1996). "The Ecocriticism Reader: Landmarks in Literary Ecology" in Glotfelty, C. and Harold, F. (Eds.), *Literature and Ecology.* Athens: University of Georgia Press.

Ndụnagụm, U. H. (2006). "Udummiri" n'*Akọnuche*. Obosi: Pacific Publishers.

Nwadike, I. U. (1992) *Ntọala Agụmagụ*. Nigeria: Ịfunanya Publishers.

Nwadike, I. U. (2003) *Agụmagụ Ọdịnala Igbo (Igbo Oral Literature).* Nimo: Rex Charles & Patrick.

Nnyigide, N.M. and Okoye, A. N. (2016), "Igbo Folktales and Igbo Youth Development: The Need for Revitalization of Igbo Folktales" a paper presented at the School of General Studies,

Nnamdi Azikiwe University, **Awka** Maiden Conference on the theme; General Studies: Foundation for a rounded Tertiary Education, 26th-28th May, 2016.

Ogwudile, C. C. (2015). "Egwu Ọnwa", in Udechukwu, G.I., Ogbuagu, J.O. and Nnyigide, N.M. (Eds.) *Ọmụmụ Agụmagụ na Omenala Igbo*, Enugu: Format. Pp. 87-89.

Okediadi, N. A. (2003). *Ije Ụwa*. Enugu: Fulladu Publishers.

Onyekaonwu, G.O. (1986). "The Development of Modern Igbo Prose Fiction, 1933-1983: An Historical and Stylistic Survey", Ph.D. Thesis of the University of Ibadan, Nigeria.

Onyekaonwu, G.O. (2006). "Emenyọnụ's Concept of the Igbo Novel: A Critical Appraisal in Agbodike, C.C. and Umeasịegu, R.N. (Eds.) *UNIZIK Journal of Arts and Humanities,* Vol. viii Enugu: Hunicon pp:138-151.

Ọnụọha, J.A. (2006). "Mmiri" in Nwadike, I. U. (Ed.). *Akọnauche* Obosi: Pacific Publishers. Pp. 194.

Philips, D. (1999), "Ecocriticism, Literary Theory and the Truth of Ecology" in *New Literary Hisotry, John Hoopkins University.* John Hopkins, pp. 577-602. URL: http://www.jstor.org/stable/... Accessed 14th January, 2010.

Rigby, K. (2008). "Ecocriticism" in Welfreys, J. (Ed.). *Introducing Criticism at the Twenty-First Century*. Edinburgh: Edinburgh Press, pp. 131-78.

Tosić, J. (2006). "Ecocriticism-Interdisciplinary Study of Literature and Environment" in Working and Living Environmental Protection, pp. 43-50 URL: googlesearch.org. Accessed 17th August, 2014.

Ugonna, N. (1982). "The Growth of Igbo Poetry", *Journal of Society for Promoting Igbo Language and Culture.* No. 1, pp. 20-25.